# NTỤCHA ỤDAOLU NA MMỤBA ECHICHE OKWU N'IGBO

**Ogechukwu Linda Mbah**

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshia
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka
Steeti Anambara, Naịjirịa

## Ụmịedemede

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'inyocha etu dị iche iche olu e ji kpọọ okwu Igbo si amụbanye echiche dị n'okwu. Mbunuuche nwa nchọcha bụ ịkọwa ihe ụdaolu pụtara, ịchọpụta ụdị ya, ebe dị iche iche ọ na-abata na mkpụrụokwu na usorookwu nakwa etu o si eweta mgbanwe n'echiche okwu na usorookwu ndị ahụ. Nka e jiri mee nchọcha a bụ nchọcha e dere ede nke a chọpụtara site n'ọba akwụkwọ dị iche iche nakwazị ajụjụ ọnụ a gbara ndị maara nke ekwe na-akụ n'amụmamụ Igbo. Nsogbu nchọcha a bụ na e mebeghị nchọcha n'isiokwu a bụ ịtụcha ka ụdaolu si amụba echiche dị n'okwu Igbo. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ akụkụ nnọrọonwe. Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ụdaolu so n'ụmụ akpọmakpọ e nwere bụkwanụ nke na-emetụta echiche maọbụ nghọta dị n'okwu. A chọpụtakwara na ụdaolu nwere ike iweta mmụba n'echiche mkpụrụokwu nakwa usorookwu n'asụsụ Igbo. Ọzọ, e wepụ mmụba echiche dị n'okwu, ụdaolu na-enyekwa aka na mmụba ọnụọgụokwu e nwere n'asụsụ Igbo. Na mmechi, nwa nchọcha na-atụ aro ka onye ọbụla nwere mmasị n'ịmụasụsụ Igbo tụmadụ n'ebe o metụtara akpọmakpọ, nghọta nakwa usorookwu were akwụkwọ nchọcha a gụọ n'ihi na ọ ga-abụ ihe ntuzi aka n'ebe ihe ọmụmụ banyere ụdaolu na mmụba echiche okwu dị.

## Mkpọlite

Asụsụ so n'otu ụzọ pụtara ihe mmadụ si ezipụta ebumnobi ya ma bụrụ usoro mmadụ na ibe si akparịta ụbụbọ. Ọ bụ ọpụrụiche n'ihi na ọ bụ ya na-akpa oke n'etiti mmadụ na anụmanụ. Ezigbo ọganihu pụtara n'asụsụ mba ụwa niile na-egosi mkpa asụsụ dị na ndu mmadụ na ibe ya.Asụsụ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ n'ihi naọ bụ ya na-enyere mmadụ aka ịchọpụta ikike o nwere imebe mkpụrụokwu na ahịrịokwu. E wepụ asụsụ, ọ ga-abụ ihe tara akpụ mmadụ na ibe ya ịkparịta ụbụbọ. Asụsụ bụ otu ihe na-enyere mmadụ aka ịghọta ma chọpụta agwa mmadụ ibe ya ma bụrụkwa otu ihe kachasị mkpa e jiri mara mmadụ. Okwu ọbụla mmadụ kwuru nwere mpụtara, echiche nakwa nghọta pụrụ iche ọ na-ezipụta. Ọ bụkwa ihe ndị a na-eme na mkparịtaụka nakwa mmekọrịta na-adị mfe.Etu o sila dị, ọtụtụ ihe na-enye aka n'iziputa echiche dị n'okwu e kwuru nakwa nke e dere. Ihe ndị a gụnyere: ụdaolu, ogoolu, mmeghari akụkụ ahụ dị iche iche, ọnọdụ obi, dg.

Ọtụtụ asụsụ mba ụwa, dịka asụsụ Igbo, bụ asụsụ ụdaolu. Ya bụ n'olu e ji kpọpụta okwu n'asụsụ ndị a bụ ihe na-egosi mpụtara okwu a kpọrọ kpọmkwem. Ụdaolu dịka Ifode (1995) siri kọwaa bụ ndịiche n'olu e ji kpọpụta okwu, nke na-emetụta mpụtara maọbụ nghọta okwu. Ọ gara n'ihu kọwaa na ụdaolu a bụ njirimara bụrụọpụrụiche nke olu nwere ma na-apụta ihe naanị n'ụdaume nakwa myiriụdaume dị n'okwu. Dịka e kwuru na mbụ na asụsụ Igbo so n'asụsụ ụdaolu e nwere n'ụwa, o nwekwara ogo maọbụ ụdị ụdaolu atọ pụtara ihe. Ha bụ ụdaelu, ụdaala nakwa ụdansụda. Asụsu ụdaolu dịka Ward (1936) siri kọwaa bụ asụsụ nke okwu niile dị na ya na-enwe olu pụrụ iche e ji akpọpụta ya. Emenanjọ (1978) kwenyekwara na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu nke na-eji ogoolu ezipụta ndịiche dị n'okwu. Greenberg (1963) n'aka nke ya kwuru na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu, nke si n'asụsụ *Niger-Congo* nakwa nke *Kwa*. Nkọwa ndị a niile na-egosi na ụdaolu so n'otu njirimara asụsụ Igbo ma dị ezigbo mkpa na ya.

N'iga n'ihu, mmụbaokwu bụ mwulite okwu digasị n'asụsụ iji mee ka ha bawanye n'ọnụọgụ. Dịka Ngọesi (2004) si kọwaa, mmụbaokwu bụ ụzọ dị iche iche mkpụrụokwu dị n'asụsụ

si abawanye. Ọ bụkwa site na mbawanye mkpụrụokwu dị n'asụsụ ka asụsụ obodo ji eto. N'asụsụ Igbo, e nwere ụzọ dị iche icheokwu Igbo si amụbanye dịka nchabi, ndebiri, njakịrị, okwu ọhụrụ, okwu mbite, dg.

N'aka nke ọzọ, echiche dị n'okwu bụ nghọtamaọbụ mpụtara dị n'okwu e kwuru ekwu maọbụ nke e dere ede. Ọtụtụ ndị ọkammụta, dịka Mbah na Mbah (2014) na Udemmadụ (2018) kwuru na e nwebeghị otu nkọwa e kwetagoro inye nghọtaokwu, nke mere na a na-agbadozi ụkwụ n'atụtụ dị iche iche wee na-akọwa ya.

Na nchịkọta, dịka e kwuru na mbụ, ịghọta nakwa ịmụba echiche dị n'okwu Igbo na-agbadokarị ụkwụ n'ogoolu, ụdaolu, mmegharị ahụ nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

## Ntụleghari agụmagụ

N'ebe a, a kọwara n'uju ihe ụdaolu nakwa mmụba echichepụtara dịka ọtụtụ ndị odee nakwa ndị ọkammụta siri kọwaa ya.Ntuleghạrị ihe ndị e derela n'isiokwu a gbadoro ụkwụ n'ihe ndị a: nkọwa isiokwu, nnyocha atụtụ, nchọcha e merela n'isiokwu, atụtụ nchọcha nakwa nchịkọta.

## Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu (Okwu njirimee)

Ọ bụ n'ebe a ka a kọwadara ihe ụdaolu na nghọta okwu pụtara n'uju dịka ọtụtụ ndị ọkammụta siri dee.

### Ụdaolu

Ụdaolu bụ etu olu si rịa elu maọbụ gbada ala mgbe a na-akpọpụta okwu. Dịka Ngọesi (2004) si kọwaa, ụdaolu bụ iji mweli maọbụ mweda olu wee kpọpụta mkpụrụokwu iji zipụta ụda ya. Ifode (1995) kọwara ụdaolu dịka ndịiche n'ogo olu, nke na-emetụta mpụtara okwu. Ụdaolu bụ njirimara ogoolu pụrụ iche nke na-apụta ihe n'ụdaume nakwa myiriụdaume, ndị bụ mkpụrụụda na-ebu akara ụdaolu n'asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo, dịka asụsụ ụdaolu, nwere ụdaolu dị iche iche. Nke a pụtara na n'asụsụ Igbo, na ogoolu e ji kpọpụta okwu nwere ike iweta ndịiche na mpụtara mkpụrụokwu ga, nkebiokwu ga, nkebiahịrị ga maọbụ ahịrịokwu ga, mgbe abịdịị mebere ha bụ otu. Ya bụ na e ji ụdaolu (nke e nwekwara ike ịkpọ ndịiche ogoolu) eziputa ndịiche n'okwu abụọ maọbụ karịa yiri onwe ha n'odide. N'ịkwado nke a, Green na Igwe (1963) kọwara na ụdaolu bụ ọkpụrụkpụ ihe bara nnukwu uru n'asụsụ Igbo ma bụrụ ihe na-eme ka okwu ndị nwere otu ụdịdị na ọdịdị nwee mpụtara dị iche iche. Dị ka Pike (1948) si mee ka a mata, ụdaolu nwere ogo pụtara ìhè na nkejiokwu ọbụla. Ward (1936) n'onwe ya kwuru na ụdaolu so n'otu akụkụ dị mkpa nke mkpụrụokwu nwere, nke bụ na ọ bụrụ na e tinyeghị ya nke ọma, e nwee mkpọhie okwu ahụ,nke ga-ebutekwa nghọtahie. Ladefoged na Johnson (2011) dere na ụdaolu bụ ndịiche n'ogoolu nke na-emetụta mpụtara okwu.

N'aka nke ọzọ, mmụba okwu dịka Ngoesi (2004) si kọwaa ya bụ ụzọ dị iche iche e ji eme ka okwu dị n'asụsụ bawanye.

### Echiche

Echiche, dịka Mbah na Mbah (2014:95) si kọwaa, bụ alaka amụmamụ asụsụ na-atụle nghọta mkpụrụokwu nakwa ahịrịokwu dị iche iche nwegasịrị. Ha kọwara na mpụtara echiche bụ ihe hịara ahụ ịkọwa n'ihina o nwere mpụtara dị iche iche ndị a gbadoro ụkwụ ka ọnọdụ si dị.Ha gakwara n'ihu kọwaa na ọ bụ nhịaahụ na nkọwa echiche a mere ndị ọkammụta jiri tụpụtazie atụtụ dị iche iche ha na-agbado ụkwụ wee na-akọwa echiche.Dịka e kwuru na mbụ, ọtụtụ ihe na-enye aka n'inye okwu echiche maọbụ mpụtara gụnyere

ọnọdụ onye kwuru okwu, onye ọ na-agwa, gburugburu ebe ọ nọ kwuo ya bụ okwu, olu o ji kwuo ya nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

**Nnyocha atụtụ**

N’ebe a, nwa nchọcha ga-atụle ụfọdụ atụtu dịka o metụtara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Atụtụ ndị a bụ: atụtụ akpọmakpọ ọdịnaala, atụtụ akụkụ nnọrọonwe, atụtụ ndebe olu, atụtụ nchịkwa nakwa atụtụ ndịzu mma. Ọ bụ atụtụ ndị a ka nwa nchọcha jiri tụchaa isiokwu ndị gbara ọkpụrụkpụ n’ime nchọcha a.

**Atụtụ akpọmakpọ ọdịnaala**

Sommerstein bụ onye mbụ na mbụ tụpụtara atụtụ a n’afọ 1977, ma kọwaa na tupu mmadụ akọwaa mkpụrụ ụda ọbụla, na ọ ga-ebugodu ụzọ si na nwa ụda e nwegaịrị n’asụsụ ahụ họpụta ndị bụ mkpụrụ ụda. Ịma atụ, n’okwu ndị a:

1. ‘sie’ na‘rie’ nakwa
2. ‘elu’ na ‘enu’,

mkpụrụ ụda izizi dị na ‘1’ mere ka ha nwee ndịiche n’echiche (mkpụrụ ụda ndị ahụ nọ na mgbagha), mana mkpụrụ ụda nke abụọ digasị na ‘2’ enwetaghị ndịiche n’echiche ha n’ihina ha bụ ụmụ otu mkpụrụ ụda (ha nọ na mbarị.). Otu mperi atụtụ a riri bụ na ọ na-akọwa na mgbe mkpụrụ ụda abụọ nọ n’otu ọnọdụ n’okwu, na mkpọpụta nakwa mpụtara ha anaghị abụ otu, mana nke a abụchaghị eziokwu, dịka a ga-ahụ n’ọmụmaatụ 3-5:

3. Emek**<u>a</u>** Emek**<u>e</u>**
4. **<u>A</u>**fere **<u>E</u>**fere
5. **<u>A</u>**se **<u>E</u>**se

**Atụtụ akụkụ nnọrọ onwe**

Goldsmith (1976), dịka Mbah na Mbah (2014) si kọwaa, bụ ya bụ nna atụtụ a. Ihe kpalitere ya bụ na o kwuru na ọtụtụ asụsụ n’ụwa bụ asụsụ ụdaolu, o wee wepụta atụtu a nke na-ekwu na okwu ọbụla nwere agba abụọ: agba ụdaolu na agba mkpụrụ echiche. Ọ kọwara na mgbe ọbụla a na-akọwa okwu ọbụla, na a na-enwe atụmatụ ndị a:

- Atụmatụ nsekọ: nke bụ usoro e ji akara esereese wee na-esekọ ụdaume, myiriụdaume nakwa ụdaolu, n’ihina na ụdaume bụ mbu isi ụda, dịka:

N n e agba mkpụrụ echiche
| |
E N agba ụdaolu

i s i agba mkpụrụ echiche
| |
E E agba ụdaolu

A kw ụ kw ọ agba mkpụrụ echiche

E E E agba ụdaolu

A j a Agba mkpụrụ echiche

A A Agba ụdaolu

(n'ebe a, 'A' pụtara ụda ala, 'E' pụtara ụda elu, ebe 'N' pụtara ụda nsụda)

- Nke abụo na-ekwu na mgbe e nwere ụdaolu nke enweghị ebe ọ kwụ, ka e sekọọ ya na ụdaume dị ya n'aka nri, dịka:

t a

ta

- Mgbasa: Nke a na-ekwu na ọ bụrụ na e sekọchaa ụdaume na ụdaolu niile, a ka nwee mgbochiume nọọrọ onwe ya, ka e sekọọ ya na ụdaume nọ na ya n'aka nri.

**Atụtụ ndebe olu**

Nke a na-amụ ka ndebe olu si ada mgbe a na-akpọpụta okwu maọbụ nkeji ahịrịokwu. Atụtụ a gbasara asụsụ ngweolu, dịka asụsụ Bekee na Frenchị.

**Atụtụ nchịkwa**

Nke a na-eleba anya etu ụda si achịkwa onwe ha na mkpụrụokwu dị iche iche ma na-enyocha etu nsinebe nakwa ndakọrịta dị iche iche si arụ ọrụ iji weta nchịkwa n'ụda asụsụ. Edeọga (2013) kọwara na nchịkwa a nwere ụdị atọ:

- Nchịkwa okwu – na-adị n'otu okwu
- Nchịkwa n'etiti okwu abụọ
- Nchịkwa na-adị ma n'ogo mgbatị okwu ma n'etiti isi mgbatị okwu abụọ.

**Atụtụ ndịzu mma**

Atụtụ a bụ Prince na Smolensky (1993) wubere ya iji kọwaa na tupu a ghọta ndakọrịta dị n'okwu, a ga-aghọtagodu atụmatụ dị iche iche kpatara na ọdịdị okwu ahụ nabatara naanị ọdịdị ya ma jụ ndị ọzọ. Ha wepụtara atụmatụ e ji akọwa iwu gabigara na mmebeokwu.

**Atụtụ e jiri mee nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ akụkụ nnọrọ onwe n’ihina ọ bụ ya dabara n’isiokwu a a na-eme nchọcha na ya.

**Nchọcha emerela n’isiokwu a**

N’ebe a, a ga-eleba anya na nchọcha ụfọdụ mmadụ merela banyere ọrụ ụdaolu na mmụba echiche okwu. Mbah na Mbah (2014:31) kọwara ụdaolu dịka “ntụpị ụda n’okwu nke nwere ike iweta adịmiche n’echiche ya bụ okwu”. Ha kọwakwara naa na-eji usoro ụdaolu okwu akọwa aha n’ihina na ụfọdụ aha nwere naanị ụdaelu na ha (dịka aka, isi, ewu, dg), ụfọdụ nwee naanị ụdaala na ha (dịka ala, ite, igwe, dg), ebe ụfọdụ gwaziri ụdaolu ha ọgwa (dịka ụlọ, igbe, mmadụ, dg.). Okoli (2017) nyere nkọwa banyere ụdaolu, wee kwuo na ọ bụ “amụmamụ na-enye ndịiche n’etiti okwu abụo maọbụ karịa, ndị bụ na a tulee ọdịdị na ụdịdị ha, ha abụrụ otu. Pike (1948:3) kọwara na ụdaolubụ nzipụta ụda mkpụrụokwu n’elu nkejiokwu ọbụla. Ladefoged na Johnson (2011) kwadoro ndị odee a, site n’ikwu na ụdaolu bụ ogoolu dị iche iche, nke na-emetụta mpụtara maọbụ echiche okwu. Ha gakwara n’ihu kọwaa na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu,nke na nkejiokwu niile na-adị na mkpụrụokwu ya na-enwe ụdaolu nke ya. Odinye na Udechukwu (2015) kwadoro nke a site n’ịkọwa na ụdaolu bụ ụda ahụ nke nkeji okwu ọbụla na-enwe na ya. Asụsụ Igbo na-eji ụdaolu a, tinyere ihe ndị ọzọ, emepụta ndịiche n’etiti mkpụrụokwu. Ịmaatụ, n’okwu ndị a:

6. Ákwá
7. Àkwà
8. Ákwà
9. Àkwá, ndịiche dị na ha bụ naanị n’ụdaolu e ji kpọpụta ha.

Nkamigbo (2012) kọwara na ụdaolu, n’asụsụ Igbo, bụ njikọ n’etiti akpọmakpọ na usorookwu n’ihina ọ na-arụ ọrụ ma na mkpụrụ ụda ma n’usorookwu.

N’aka nke ọzọ, mmụbaokwu bụ mwulite ọnụọgụ mkpụrụokwu e nwere n’asụsụ. Otu ụzọ okwu si amụbanye n’asụsụ, tụmadụ n’asụsụ Igbo, bụ na mmebeokwu. Ọtụtụ ụzọ ka e si emepụta okwu ọhụrụ n’asụsụ Igbo, ha bụ:

- N’isingwaa
- Okwu mbite
- Njakịrị
- Okwu a pịrị apị
- Okwu mkpọghie
- Mbiọgwa
- Ijikọta mkpụrụokwu abụo, dg.

Mmepụta okwu ndị a na-emezi ka ọnụọgụ mkpụrụokwu dị n’asụsụ Igbo na-abawanye. Etu o sila dị, e nwekwara ike ịmụba okwu site n’ụdaolu e ji kpọpụta ya, nke ga-eme ka otu okwu nwee echiche maọbụ mpụtara dị iche iche. Ya bụ na ụdaolu na-enye aka n’ịmụba echiche dị n’okwu nke na ọ bụrụ na e tinyeghi ya, o mee ka e nwee mgbagwojuanya na mpụtara okwu ndị ahụ.

**Nchịkọta ntulegharịagụmagụ**

Na ntuleghari agụmagụ ndị a, a hụrụ echiche dị iche iche nke ndị ọkammụta nakwa ụmụakwụkwọ banyere ụdaolu na mmụba echiche dị n'okwu. Mgbe e mechara ntụleghari a, a chọpụtara na ọtụtụ emeela nchọcha n'ụdaolu, ebe ụfọdụ mekwara na mmebeokwu, mana nwanchọcha ahụghị onye tụcharalaụdaolu na mmụba echiche okwu n'Igbo. Ọ bụ nke a mere o ji dị mkpa ka nwanchọcha gaa n'ihu n'ime nchọcha ya.

**Ntụle ụdaolu n'ebe ometụtara mmụba echiche dị n'okwu**

N'akpọmakpọ, e nwere ọtụtụ ụmụ nakwa ụmụ ụmụ dị n'ime ya dịka ụda, mkpụrụ ụda, ogoolu, ike olu, ngwe olu, ngwọ olu, ndebe olu, dg., mana nke a ga-eleba anya n'ebe a bụ ụdaolu naebe o metụtara mmụba echiche dị n'okwu Igbo.

**Ụdaolu**

E kwuola na ụdaolu bụ ogoolu nke e ji akpọpụta okwu, bụkwanụ nke na-eweta ndịiche na mpụtara okwu abụọ maọbụ karịa ndị nwere otu ọdịdị na ụdịdị. Nke a na-aga n'ihu ịmụba echiche okwu,nkebiokwu, nkebiahịrị nakwa ahịrịokwu nwere. Ọ na-eme nke a n'ụzọ dị iche iche site n'iziputa ndịiche dị n('/a):

**a. Mkpụrụokwu ga**

E kwubuọla na ụdaolu na-enye aka n'ịmụba echiche dị na mkpụrụokwu abụọ maọbụ karịa ndị yiri onwe ha n'ọdịdị nakwa ụdịdị. Ọmụmaatụ ebe e nwere nke a gụnyere:

10. Ísí - akụkụ ahụ mmadụ
    Ìsì - ahụghị ụzọ
    Ísì - ukpo ihe
    Ísī - iso ụzọ

11. Ígwē - onye na-achị obodo maọbụ ebe obibi Chukwu
    Ìgwè - ọtụtụ (n'ọnụọgụ)
    Ígwè - ịnyịnya

12. Égwú - ụzọ mkparị amụ
    Égwù - ọnọdụ obi esighi ike
    Ègwú - ịbọpụta ihe (n'ala)

13. Íké - ume iju ahụ
    Íkè - akụkụ mgbada ahụ
    Íkē - ikpuchi ihe na ngwugwu

14. Àzízà - ihe e ji aza ala
    Ázìzá - ụsa nye ajụjụ

15. Òké - anụmanụ
    Òkè - orubere
    Óké - di/nwoke
    Ókè - agba nkewa

E lee anya n'okwu ndị a dịgasị na nọmba 10-15, a ga-ahụ na nke òtù ọbụla yiri n'odide kama na ụdaolu gosipụtara mkpọpụta ma weta ndịiche n'echiche nakwa mpụtara ha.

**b. Ahịrị nkwe na ahịrị ajụjụ**

16. Ó nò yá - nkwe
    Ò nò yá? - ajụjụ

17. Ị kpọrọ m - nkwe
    Ị kpọrọ m? - ajụjụ

18. E sichaala nri - nkwe
    E sichaala nri? - ajụjụ

**Ch. Ọnụọgụ**

E ji ụdaolu ezipụta ọnụọgụ nkịtị na nke ǹkè. Ịmaatụ:

19. Mmadụ àtọ - nkịtị
    Onye nke átọ - nke

20. Ewu ánọ - nkịtị
    Ewu nke ànọ - nke

**d. Ahịrịokwu na nkebiahịrị ndabe**

21. Ndí áhụ bịàrà . - ahịrịokwu
    Ndí áhụ bịārā… - nkebiahịrị ndabe

22. Uche kwùrù ókwú. - ahịrịokwu
    …Uche kwúrú ókwú - nkebiahịrị ndabe

e. Nkebiokwu

23. ósísí ụkwà - aha (ihe na-amị mkpụrụ)

òsísí ụkwà - ngwaa (ịkwado ya maka oriri)

f. Mgbanwe ụdachi okwu abụọ maọbụ karịa e jikọrọ ọnụ. Ịmaatụ:

24. Ọnụ + ụzọ = ọnụụzọ

Ánụ + éwú = ánụ éwū

g. Tensị ndịụgbua na nke ndịnaazụọkachasị n'isingwaa ndị nwere ụdaelu dịka ụda chi ha. Ịmaatụ:

25. Jé = ndịụgbua

Jè(rè) = ndịnaazụ

26. Rí = ndịụgbua

Rìrì = ndịnaazụ

27. Kwú = ndịụgbua

Kwùrù = ndịnaazụ

**Nchịkọta**

Nwanchọcha chọpụtara ụdaolu dịka otu ụmụ akpọmakpọ nwere ma bụrụ nke na-eweta ndịiche n'okwu abụọ maọbụ karịa ndị yiri onwe ha n'ọdịdị nakwa ụdịdị. Mgbe e ji ogoolu dị iche iche wee kpọpụta okwu ndị a, ọ na-ebute ndịiche na mpụtara nakwa echiche ha. N'ụzọ dị etu a, a na-eweta mmụba n'echiche okwu ndị a. Nke a na-enyekwa aka n'ịmụba akpaokwu asụsụ Igbo. A tụlekwara atụtụ ụfọdụ metụtara akpọmakpọ dịka atụtụ akpọmakpọ ọdịnaala, atụtụ akụkụ nnọrọonwe, atụtụ ndebe olu, atụtụ nchịkwa nakwa atụtụ ndịzu mma ma gbado ụkwụ n'atụtụ akụkụ nnọrọonwe wee mee nchọcha a n'ihina ọ bụ ya bụ nke kachasị daba n'isiokwu a bụ ụdaolu na mmụba echiche okwu.

**Aronwanchọcha**

Site n'ememnchọcha a, a chọpụtara na e mebeghị nchọcha nnukwu banyere ọrụ ụdaolu na mmụba echiche okwu Igbo nke na ụfọdụ ndị na-amụ asụsụ Igbo nwanchọcha gbara ajụjụ ọnụ akọwanwughị ọrụ ụdaolu na-arụ n'ịmụba echiche okwu Igbo. Nwanchọcha were na-atụ aro ka onye ọbụla asụsụ Igbo na-amasị lebakene anya ma mee nchọcha tọrọ atọ banyere isiokwu a. Nke a ga-eme ka a chọpụtakwuo ọtụtụ ihe banyere ya ma mee ka e nwee ọtụtụ akwụkwọ ndị nchọcha ọzọ ga-agbado ụkwụ mgbe ha ga-eme nchọcha nke ha. Ọ bụkwa aro nwanchọcha ka onye ọbụla nwere mmasị n'amụmamụ Igbo tụmadụ n'ebe o metụtara amụmamụ akpọmakpọ were akwụkwọ a gụọ iji mata ụzọ dị iche iche ụdaolu si eweta mmụba n'echiche okwu n'Igbo.

## Mmechi

Nwa nchọcha gbalịrị imejupụta ebumnobi ya nke bụ ịtụcha ụzọ dị iche iche ụdaolu si amụba echiche dị n'okwu n'asụsụ Igbo site n'ịchọpụta mkpụrụokwu nakwa usorookwu dị iche iche ebe e tinyere ogoolu dị iche iche nakwa ka ogoolu e ji kpọpụta okwu ndị a si weta mmụba n'echiche ha.

## Edensibịa


Edeọga, P. N. (2013). Government phonology of vowel harmony in Nsukka variety of Igbo. Ngụpụta nchọcha Ph.D., Mahadum Naịjiria, Nsụka.

Emenanjọ, E. N. (1978). *Elements of modern Igbo grammar*: A descriptive approach. Ibadan: Oxford University Press.

Green, M. M. and Igwe, G. E. (1963).*A descriptive grammar of Igbo*. Alcademie Verlag, Berlin; OUP, London.

Greenberg, J. H. (1963). *The languages of Africa*. Bloomington: Indiana University Press.

Goldsmith, J. (1976). *An overview of autosegmental phonology*. Linguistic Analysis. Vọl. 2, ihu 23-68

Ifode, S. (1995). *Basic phonetics*. Port-Harcourt: Sunray Publications.

Ladefoged, P. & Johnson, K. (2011). *A course in phonetics*. (6th ed.) Canada: Michael Rosenberg.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria.

Ngoesi, M. C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo maka ule sịnịọ sekọndịrị*. Onitsha: Optimal Press

Nkamigbo, L. C. (2012). *A phonetic analysis of Igbo tone*.Third International Symposium on Tonal Aspects of Languages Nanjing, China, May 26-29, 2012. Site nahttp://www.isca-speech.org/archivena 20th January, 2020.

Odinye, I. & Udechukwu, G. (2015). *Igbo and Chinese tonal system: A comparative analysis.* Site na *https://www.researchgate.net/publication/305727370* na 6th August, 2019.

Okoli, C. E. (2017). *The tone marking system of the Igbo language: A documentary overview.* Igbo language studies. vọl. 2. Awka: Nnamdi Azikiwe University.

Pike, K.L. (1948). *Tone languages: a technique for determining the number and type of pitch contrasts in a language with studies in tonemic substitution and fusion*. University of Michigan Publication in Linguistics 4 Ann Arbor.

Prince, A. & Smolensky, P. (1993). *Optimality theory: Constraint interaction in generative grammar*. Nchọcha maka RacCCS-TR-2. New Jersey: Rutgers University Centre for Cognitive Sciences.

Udemmadụ, T. N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu (semantiks)*. Onitsha: Durability prints.

Ward, I. C. (1936). *An introduction to the Ibo language.* Cambridge: W. Heffer & Sons.